**Ọrụ Mmwulite Omume Ọma na Agwa**

Onye ahụ nke akpọrọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwa ihe O kwuru.
***1Tesalonaịka 5:24***

**Nnyocha Akwukwo**

Mgbe I Kwenyechara: Ihe Mere Àgwà Ndị Otu Kraịst Ji Dị Mkpa

N. T. Wright

N’akwụkwọ ya bụ́ After Your Believe: Why Christian Character Matters, N.T. Wright kwuru na ọtụtụ Ndị Otu Kraịst na-elekwasị anya ná ndụ ka à ga-asị na ọ bụ osimiri nwere ụsọ abụọ. N' ụsọ nke anyị bi ugbu a, anyị na-elekwasị anya na ịbanye na mmekọrịta onwe onye na Chineke site n'ihe Jesu mere n'obe, biakwa na-eso ọtụtụ iwu maka omume Ndị Kraịst. Otu akụku ụsọ nke ozo dị iche bụ njedebe ikpeazụ kasi mma, nzọpụta ikpeazụ anyị n'eluigwe. Nagbanyeghị, Wright na-ajụ, gịnị na-abịa n'etiti ha abụọ? Azịza ya wee bụru, àkwà mmiri nke gụnyere ịchụso omume ọma na-eduba n'omume nsọpụrụ Chineke ebe anyị na-abụzi ndi nke Chineke zubere ka anyị bụrụ. Nke a bụ mgbanwe site na Mụọ Nsọ nke na-enyere Onye Otu Kraịst aka ibi ndụ site n'ọdịdị ọhụrụ. Nke aburuzie ụzọ isi chee echiche banyere ihe a ga-eme na otu esi eme ya.

Jesu siri, Soro m. Nke a na-agwa anyị ihe anyi ga-eme na otu anyi kwesịrị isi mee ya. Nke a bụ mgbanwe nke agwa. Njem ahụ gụnyere ngosipụta omume ọma, na-eduba n'àgwà nke onye otu Kraịst, nke dịputara nnọọ iche n'ụzọ nke ụwa; ọ bụ nkwechiri bara uru maka ndu mmadụ niile n'ụzọ nke na enweghịkwa ihe ọ bụla ọzọ nwere ike ya.

Omume ọma na-esi n'ọtụtụ puku obere nhọrọ ndị a na-eme iji mee ihe dị mma ma zikwaa ezi. Ọ bụ ezie na nke a anaghị abịa n'ụzọ ekere, ọ na-emesị ghọọ ihe a na-eme eme. Nke a na-eme eburu mmadụ site na-ịmara iwu ma ọ bụ ịchọpụta onye ya baa na-ịbụ onye zụlitere omume ọma nke Ndị Otu Kraịst, na-eduba n’ezi ndụ nke mmadụ. Wright na-enyocha otú mmadu si aburu ezigbo mmadụ, na-enyomi Chineke onye kere anyị na oyiyi Ya, na-emekwa nke a n'ofufe Ya na ozioma. Nke a pụtara na otú mmadụ si eche echiche ma na-eme ihe na-adakọ, n'agbanyeghị ọnọdụ obula. Ọ na-akowaputa na agwa nke Ndị Otu Kraịst karịrị nnoo agwa oma; ọ gụnyere ịghọkwu ezi mmadụ.

Wright na-atụle ọdịiche dị n'etiti echiche oge ochie banyere omume ọma, dị ka Aristotle gosipụtara, na echiche nke Ndị Otu Kraịst. Echiche nke ikpeazụ a na-eduga na mmadụ oganiihu. Nke a bụ usoro dị ogologo, kwụgidesie ike nke gụnyere akụkụ ime mmụọ nke furu efu. Nke a aghọ ụzọ mmadụ na-aga n'ebumnobi nke ito eto. Ọ bụrụ na mmadụ akwụsị ime omume ọma, nsogbu ndị ahu emeriri emere ga-alọghachite. Nke a bụ ihe mere o ji dị mkpa ịnọgide na-ebi ndụ ọma. Nke a abụghị naanị isobe iwu, kama ọ igbanwe site n'ime obi. Ibi ndụ site na-idebe iwu bụ omume mpụga. Ọkpụkpọ oku ndi kwere ekwe bụ ka ha gbanwee site na nnara onyinye oke amara oma nke Chineke.

N'ime ubochi nile nke narị afọ nke 19 na narị afọ nke 20, ndị mmadụ na-ekwenye na ị kwesịrị I gwa onwe gị eziokwu nyere onye ị bụ. Wright rụtụrụ aka na nke a bụ ihe gbasara mmasị ma ọ bụ uto onwe onye. Ọ dị iche n'okporo ụzọ ike nke ngọnarị onwe onye nke Jesu kwuru banyere ya mgbe ọ kpọrọ ndị mmadụ ka ha buru obe ha sowe Ya. Ebumnuche nke Akwukwo Agba Ọhụrụ banyere ndụ mmadụ n'ezie bụ ndụ nke agwa hiwere site na nkwa nke Chineke kwere n'ọdịnihu, dịka ndụ n'ime agwa ahụ nwere ọdịdị ya n'ọdịnihu biri n'ime akụkọ bara ndị nke Chineke.

Ndụ nke Onye Otu Kraist gụnyere ije ozi dị ka ndị ọchịchị na ndị nchụàjà n'alaeze Chineke n'ebe a na ugbu a. A na-enweta ebumnobi a site n'ọrụ iguzobe alaeze nke Jesu na Mmụọ Nsọ ebe Ndị Otu Kraịst bi n'ọgbọ a, na-atụ anya ihe ziri ezi nke kachasi ike site n'ụkpụrụ Mmụọ Nsọ , na ọkpụkpụ agwa, nke na-egosi omume nke okwukwe, olile-anya na ịhụnanya, na-akwado Ndị Otu Kraịst n'oku ofufe Chineke akporo ha na igosipụta ebube Ya n'ime ụwa. N'ebe a, anyị bịara ghọta na omume ọma Ndị Otu Kraịst abụghị maka onwe gị, kama ọ bu maka Chineke na alaeze Chineke. Nke a bụ ihe mere anyị ga-eji jee ozi dịka ndi oka iwu na ndị nchụ-aja iji gosi Chineke n'ime ụwa ma tụgharịa ụwa laghachikwute Chineke. Anyị ga-eguzo dika ihe nhụta dị n'etiti Chineke na ihe O kere, na-ebute usoro amamihe na mmesapụ aka nke Chineke n'ụwa na-enye ụda olu doro anya nye ihe e kere eke nwere obi ụtọ na-ekele ekele nye onye kere ya site n'ife Ya ofufe na ịchịisi (1 Pita 2: 5, 9). Iji bie ndụ otú a, ịdị nsọ dị mkpa; ndị mmadụ ga-amụta ibi ndụ dị ka ndị Chineke nyere ike nwere onwe ha.

Nke a karịrị obi anuri Aristotle, ma buru ngọzi Jesu. Ngozi Ya abụghị iwu, kama ọ bụ omume ọma nke obi. N'ihi nka Jesu kpọrọ òkù si, Soro m. Ọ ga-eduba mmadu n'eziokwu ebe izu oke bụ agwa e ji oke ịhụnanya mesapụ aka. Jesu nọ na-akpọ ndị na-eso ụzọ Ya òkù ka ha bata, ụwa nke gbadaa gbagọo, ụwa nke dị n'ime elu uwa, ụwa ebe ihe nile ndị mmadụ na-echekarị banyere na inwe ọganihu nke mmadụ, gụnyere omume ọma nke mmadụ, na-ewepụta n'akụkụ ma guzobe usoro ọhụrụ. Ihe a niile na-abịa site n'amara mgbe asachara obi mmadụ ọcha.

Jesu kpughere ụzọ ọhụrụ isi bụrụ mmadụ, nke chọrọ mgbanwe nke uche mmadụ (Ndị Rom 12:2). N'agbanyeghi na Mụọ Nsọ na-etinye aka na nke a, mkpebi nke onye ọ bụla dị mkpa. Dị nnọọ ka iyiri uwe n'ụtụtụ chọrọ nhọrọ uwe a ga-eyi, otú ahụkwa ka nhọrọ mmadụ na-eme maka inwe agwa ezi omume si wee dị. Nhazi omume ọma bụ ọrụ siri ike, mana ọ chọrọ ọrụ na-eme ka uche dị ọhụrụ site na Mụọ Nsọ nakwa ọgbakọ Ndị Otu Kraịst.

Ụka Oge Mbụ gosiri ụzọ ọhụrụ Jesu si ebi ndụ n'ụzọ na-agbanwe agbanwe nke na ndị mmadụ chere na Ndị Otu Kraịst apụọla n'uche ha. Ndị Gris oge ochie kuziri na mmadụ ga-enwerịrị omume ọma niile ebe ọ bụ na nke ọ bụla n'ime ha na-enye aka idobe ndị ọzọ n'ọnọdụ ha. Nke a dabara na echiche Ndị Otu Kraịst banyere omume ọma. Dịka ọmụmaatụ, mkpụrụ nke Mọ Nsọ na-eto eto na Ndị Otu Kraịst; ha niile na-apụta ìhè, ọ bụghị naanị otu ma ọ bụ akụkụ abụọ. Ezi omume Ndị Kraịst, gụnyere mkpụrụ itoolu nke Mmuọ Nsọ, bụ ma onyinye sitere n'aka Chineke na nsonaazụ nke onye nwere okwukwe na-eme mkpebi n'amaghị ama iji zụlite ụzọ ndụ a na àgwà nke obi na uche ndị a. Okwukwe, olileanya na ịhụnanya bụ onyinye sitere n'aka Chineke nke na-atụ anya site na anyị gaa na ndị gbara anyị gburugburu.

Wright tụgharịrị uche ya n'ọgbakọ Ndị Otu Kraịst n'ọrụ ya dịka ndị nchụàjà eze - otu esi ebi ndụ Ya n'obodo na n'uwa, ihe ọ pụtara igosi ụzọ ọhụrụ isi bụrụ mmadụ. Ọ na-ekwu na ọkpụkpọ ọrụ a

na-akpụzi ọrụ abụọ nke ụka kacha mkpa: ofufe na ozi. Enyere ihe ịmaatụ nke ihe ịmaaka a na-eche ihu n'iji obi ụtọ nke ịkụ ọkụ. Nke a na-enye obere oge nke ịnụ ụtọ. Otú ọ dịna, ọ na-agabiga ngwa ngwa. Mgbe Ụka na-achọ obi ụtọ yiri nke ahụ n'ofufe, ọ naghị adọta ụwa n'ofufe. N'aka nke ọzọ, ịmunye kandụl adịchaghị atọ ụtọ, ma ọ na-adịgide adi karịa, ma nwee mmetụta di ukwuu. Ofufe otu dị iche iche bụ ụdị omume ọma nke otu dị iche iche mgbe Chineke nwere ike ibinye. Ụka na-ejikọta ọnụ onyinye nke onye ọ bụla n'ime mkpesa di na akọnuche nke ụwa. Nke a na-enye ndị mmadụ ohere ịbụ ezigbo mmadụ ebe ha nwere ike ito eto. Nke a pụtara ìhè na ịdị umeala n'obi, ọrụ ebere, ndidi, na ịdị ọcha, bụ nke na-adịbughị adị tupu oge nke Jesu.

O di uzo ihe ise dị mkpa iji bie ndụ dị nsọ: Akwụkwọ Nsọ, Akụkọ, Ihe Nlereanya, Ọgbakọ, na Omume. A kọwara ihe ndị a dị ka nchikota maka ibi ndụ n'ụzọ ziri ezi. Nke ọ bụla na-enye aka na uto n'ime ahụ Kraịst. Nlenye anya n'ọgbakọ Ndị Otu Kraịst dị ezigbo mkpa ebe ọ na-arutu aka na oge na oghere nke Ụka. Ijimaatụ, oriri nsọ bụ sakrament nke Ndị Otu Kraịst niile gburugburu ụwa na-eme kemgbe Jesu bidoro ya. Ya mere, mgbe a na-eri achịcha na mmanya, onye ọ bụla kwesịrị ichebara Ahụ Kraịst echiche n'ụzọ atọ: oge gara aga (site na oge mbụ ruo ugbu a), ugbu a (Ndị Kraịst niile gburugburu ụwa), na ọdịnihu (mgbe anyị niile ga-ekere òkè n'eluigwe).

Wright na nmechi na-echetara anyị na ọrụ anyị bụ ịbụ mmadụ zuru oke site na-ịzụlite agwa Ndị Otu Kraịst. Anyị kwesịrị ibi ndụ ahụ n'ọgbakọ anyi, n'ime obodo anyị, gburugburu ụwa, na ngafere oge site na-ife Chineke na ịrụ ọrụ maka alaeze Ya. Anyị ga na-aga n'ihu isoro usoro a ruo mgbe ọ ghọrọ anyi àgwà nke obi, na ndu nke abụọ.